| UNIVERSITY of MARYLAND CAPITAL REGION HEALTH | | **PFS USORO NA ETU O SI AGA AKA** |
|---|---|---|
| **Aha:** Enyemaka Ego | | **Akara Etu O Si Aga:** PFS.FIN.01 |
| **Onye Malitere:** Patient Financial Services | **Ụbọchị A Malitere:** 3/2/2017 | **Ụbọchị E Lebara/Lebaghariạ ya Anya:** 3/2/2017 |
| **Onye Kwadoro:** Eileen Pride | | |
| A. Supervisor/Manager | B. Asst. Department Director | C. Sr. Director, Patient Financial Services |

## Ebumnuche anyị:

DHS ka na-eme enye aka ego dabeere ndị mmadụ nwere mkpa ahụ ike na ndị mmadụ nwere mkpuchi iwu, ndị mmadụ di were mkpuchi iwu obere, na ndị mmadụ nerughị eru mkpuchi iwu maka omume na ọchịchị ma ndi na-enweghị ike ịkwụ ụgwọ, na-elekọta nke bu ugwo ọgwụ dị mkpa dabeere taa ma echi

Ọ bụ iwu nke nzukọ niile di na DHS enye aka ego dabeere na ịda ogbenye ma ọ ụgwọ oké ọnụ elu maka ndị ọrịa na-izute kpọmkwem ego ibiere na rịọ ndị dị otú ahụ aka. Ebumnuche maka usoro amụma ndị a bụ i ji kọwaa etu e nwere ike isi agbaso arịrịọ maka enyemaka ego, ihe ndị a chọrọ maka ndị tozuru etozu na usoro a na-agbaso maka ịrịọ arịrịọ maka enyemaka.

Otu DHS ga-ebipụta n'akwụkwọ ọgụgụ nke obodo ha, ọdịdị nke Enyemaka maka ego n'afọ ọ bụla ma zipụtakwa ozi iji mee ka a mata maka ọdịdị ya n'ebe dịcha mma nakwa ebe a na-enye ndị mmadụ akwụkwọ maka akwụmụgwọ. A ga-emekwa ka a mara mgbe anyị nọ ya mgbe a na-ezigarag onyeọrịa egoole e mefuru n'ahụike ya A ga-emekwa ka onyeọrịa nwee ike ịbanye n'ebe ụfọdụ. Egoole a nara onyeọrịa nakwa akwụkwo enyemaka ego ka a ga-egosi tupu a hapụ onyeọrịa ka ọ laa, ebe a ga-emekwa ka ọ dị mfe ịhụ yam aka onyeọrịa rịọrọ maka nke a.

E nwere ike ịgbatịkwu Enyemaka maka ego mgbe e lebanyere anya ma detukwaa n'akwụkwọ, ọnọdụ mnweta ego nke onye ọrịa. Nke ga-agụnye nlebanye anya n'ọnọdụ mmefu ego maka ahụike nke onyeọrịa nakwa ihe o kwesiri ime (tinyere mmefu na mkpata akụ nke nọzi n'ọnọdụ ọjọọ ma e wepụ mmefu na mkpata akụ ndị nke garala ụloikpe ma bụrụkwa nke e nwetara ikpe maka ya) nakwa mmefu ego ahụike ọ bụla. E nwere ike inyere ndịọrịa aka, bụ ndị nke mmefu na mkpata akụ nke ha dị n'aka ndị na-anakọ ya. Ebe nke a nwekwara ike ịbụ maka ndị nke e kpebirila ikpe maka ha.

DHS nwekwara ikike nke ya ikpebi ma onye ọrịa o nwere ike ịkwụnwu ụgwọ ọgwụgwụ e nyere ya. Ndị ọrịa niile a kpọtara maka ọgwụgwọ mberede ka a ga-enye ọgwụgwọ na-agbanyeghị ma ha o nwere ike ịkwụnwu ụgwọ. Gbasatara ọrụ dapụtara mberede ma ọ bụ a kwadoghị akwado, a ga-emezucha usoro akwụmụgwọ, usoro nnata ego, ma nyochakwaa ya etu o kwesiri mana nke a agaghị egbochi onye ọrịa ịnata ọgwụgwọ nke kwesiri ya.

***<u>ATỤMATỤ NTORU</u>***

Dịka ha na-arụ ọrụ ahụike ha etu niile o kwesiri, na-ekwuchitekwara ndị nke na-enweghị ụzọ ha si akwụ ụgwọ maka ọgwụgwọ dị mkpa e nyere ha na-eleghị anya n'azụ, ụlọọgwụ ndị DHS na-agbasi mbọ ike ịhụ na ọnọdụ mkpata akụ nke ndị mmadụ na-achọ ahụike egbochighị ha ịchọ nakwa ịnata nleta anya.

**ETU O SI AGA, n'ịga n'ihu**

**Ebe e wepụrụ maka usoro amụma enyemaka gụnyere ndị a:**

1. Ọrụ nke ndị ahụike rụrụ nke na-enweghị mmetụta n'ebe ụlọọgwụ ndị DHS dị (ọmụmaatụ, ngwaọrụ nke ahụike, ọrụ nlekwa e nyere n'ụlọ onye ọrịa)
2. Onyeọrịa nke nshọọransị ya ma ọ bụ ámụ̀mà ọgwụgwọ ya na-agụnyeghị ụlọọrụ nke nshọọransị (iji maa atụ, HMO, PPO, ma ọ bụ ego iti aka n'obi maka ndị ọrụ), ha bụ ndị na-etozughị amụma enyemaka ego.
   a. N'ụzọ doro anya, Amụma Enyemaka Ego anọghị maka ịrụ ọrụ n'ebe ndị nke ụlọọrụ nshọọransị nke ha jụrụ inyere aka; na-agbanyeghikwa, e nwere ike ilebanye anya na nsọgbu nke ọ bụla n'onwe ya site n'ịtụle nsogbu ahụike na mpụtara ya nwere ike iweta.
3. Ego ndị a na-akwụghị akwụ nke sitere n'ihe ndị na-agbasaghị ọrụ ahụike;
4. Ihe ndị onyeọrịa ji eleta onwe ya anya
5. Ụgwọ nri na nke obibi
6. ***Ego onye na-enye ọgwụ na-ana nke metụtara ụbọchị a rụrụ ọrụ esoghị n'amụma Enyemaka Ego nke DHS. Onyeọrịa nke nwere ike ịgbaso enyemaka ego maka ego metụtara ụgwọ a na-akwụ ga-akpọtụrụ onye ahụ na-enye ọgwụ n'onwe ya.***

**Onyeọrịa etozughị maka amụma enyemaka ego n'ihi ihe ndị a:**

1. ỊJụ iweta akwụkwọ a chọrọ ma ọ bụ iweta ozi ezughị ezu.
2. Inwe nshọọransị site na HMO, PPO, ego iti aka n'obi maka ọrụ, Medicaid, ma ọ bu amụma nshọọransị ọzọ nke jụrụ nnabata maka ụgwọ ụlọọgwụ nke usoro atụmatụ ndị nshọọransị.
3. Akwụghị ụgwọ ndị nke a chọro maka Amụma Enyemaka Ego.
4. Odida na-ruo ụbọchị na ugwo ndokwa ndi DHS.
5. Ịjụ ịmata ihe a chọrọ n'aka gị n'oge ya maka usoro akwụmụgwọ nke DHS.
6. Ịjụ ime nhazi maka ụgwọ e kwesiri ịkwụ DHS n'oge gara aga (nke gụnyere ndịọrịa ndị ahụ e zigara nke na-abughị ndị otu ndị na-anakọ ego e ji n'ụgwọ).
7. Ịjụ ka e mee nyocha maka enyemaka ego ndị ọzọ tupu a hanye arịrịọ n'aka ndị otu Amụma na-akwụ ụgwọ.
8. Ịjụ inye ozi dị mkpa gbasaara ihe nke nọ n'iwu maka ndi ala ọzọ na-abịa n'Amerika na-achọ ọgwụgwọ ọrịa mberede.

Ndịọrịa na-etozughị maka amụma a ka a ga-achọ ka ha kwụọ ego ole ọ bụla e nwere ike ịgwa ya kwụọ. Ọ ga-abụkwa ọrụ arụghị nke ọma ma ọ bụrụ na a kwụghị ego ọ bụla fọrọ afọ e kwesiri ịkwụ n'oge a ga-ekwekọrịta maka ịkwụzu ya.

Ndịọrịa mere ka a mata na e webeghị ha n'ọrụ nakwa na ha enweghị nshọọransị ha nọ na ya ga-eweta Akwụkwọ Arịrịọ maka enyemaka ego, beelụsọ ma ha tozuru etozu n'etu niile e si amata ndị e chere na ha ruru eru inweta Enyemaka ego. Ọ bụrụ na onyeọrịa tozuru maka nlekọta nke otu COBRA, onyeọrịa nwere ike ịkwụ nshọọransị COBRA ka ndị Kansụl/ ndị nlekọta ga-elebara anya, ebe a ga-ede akwụkwọ nkwado nye Ndịisi Ọchịchị. Ndị nke nwere ike ịzụtanwu nshọọransị ahụike ka a ga-agba ume ime etu ahụ, dịka ụzọ e si enye aka ịbanye n'ọrụ ahụike nakwa ihe niile gbasatara ahụike nke onye.

Ego ole ọ na-ewe ga-agbado ụkwụ n'ihe di n'agbata 200-500% nke ego a na-enweta ma bụrụkwa nke gọọment etiti na-enye ntụziaka maka ibelata agụụ na-ebipụta n'afọ ọ bụla n'Akwụkwọ-Ndepụta nke Gọọment Etiti. Usoro nhazi ahụ na-amalite n'otu ọnwa nke na-esochi ọnwa mbụ e jiri bipụta akwụkwọ ahụ.

## ***<u>Nchepụta Enyemaka Maka Ego</u>***

E nwere ike ịnabata ndịọrịa dịka ndi toruru etoru maka Nchepụta Enyemaka Maka Ego. E nwere n'ebe ụfọdụ mgbe onyeọrịa nwere ike ịbụ onye tozuru etozu maka enyemaka ego, mana e nweghị akwụkwọ ndetu e nwere maka enyemaka ego. E nwere ozi zuru ezu nke onyeọrịa wepụtara ma ọ bụ site n'ebe

**ETU O SI AGA, n'ịga n'ihu**

ọzọ, nke na-egosi ihe njinaaka zuru ezu nke ga-eme ka onyeọrịa nweta enyemaka ego. Ebe e nweghị ihe njinaaka e ji akwado ntozu maka enyemaka ego, otu DHS nwere ikike mnwere onwe i si n'aka otu ọzọ nweta ozi nke na-akọwa maka mkpata akụ maka inyere onye tozuru etozu ma nyekwa aka wetuo ego ole o kwesiri ịkwụ. Ozugbo e kpebiri nke a, n'ihi etu ọnọdụ nwere ike ịdị, nanị enyemaka ego e nwere ike inye bụ 100%. Nchepụta Enyemaka Maka Ego nke ndị tozuru etozu nwere ike ịnagide naanị ụbọchị a kpọrọ aha maka onyeọrịa. E nwere ike ikpebi site n'ilekwasa anya na ndụ nke onye ahụ n'ihe ndị gụnyere:

a. Òtù ndị Active Medical Assistance pharmacy
b. SLMB
c. PAC
d. Enweghị ebe obibi
e. Onyeọrịa Medical Assistance and Medicaid Managed Care maka ọrụ a rụrụ na ER bụ́ nke gafere atụmatụ ndị a:
f. Ego e mefuru maka enyemaka ọgwụ
g. Ntozuoke maka stet ndị ọzọ ma ọ bụ otu ndị enyemaka nke ime obodo.
h. Onyeọrịa nwụrụ anwụ nke amaghị n'ebe o si.
i. Onyeọrịa na-agba mbọ iru ogo ndị tozuru etozu nke e hibere n'okpuru State nke ndị Only Medical Assistance Program gara aga.
j. Onye na-abụghị onye US nke e were dịka onye na-adịghị abịa nso
k. Enyemaka nke ndịọrịa na-etozughị etozu maka ndịọrịa zuruoke maka enyemaka ọgwụ.
l. Ndịọrịa amaghị ndị ha bụ (ọ bụ eziokwu na anyị agbaala mbọ niile e nwere ike ịchọta ebe ma ọ bụ njirimara onye ahụ)
m. Mbigbọ nke ụlọakụ, site n'usoro iwu, dịka ụlọikpe gọọment etiti siri nye ntụziaka.

## Ọrụ ndị a mapụtara ma ọ bụ usoro mgbaso nke na-etozughị etozu maka Ncheputa Enyemaka Maka Inye Ego nke gụnyere:

a. Usoro ndị a kpachapụrụ anya wee họpụta (ọmụmaatụ - ihe ịchọ mma nke anụ ahụ) abụghị nke nọ n'okpuru atụmatụ ahụ.
b. Ndịọrịa na-anọghị na nshọọransị, nke a hụrụ na Ngalaba ndị Ihe Mberede ma bụrụkwa ndị nke nọ na Emergency Petition, agaghị enweta Enyemaka Maka Ego wee ruo mgbe e dere ego ole atụmatụ Maryland Medicaid Psych mefuru.

## ***USORO***

1. E nwere ndị ọ bụ ọrụ ha ịhụ maka Arịrịọ Enyemaka Ego. Ndị ọrụ a nwere ike ịbụ ndị ndụmọdụ n'ihe Gbasatara Ego (Financial Counselors), Ndị na-ahụ maka mnweta Ego ndịọrịa (Patient Financial Receivable Coordinators, ndị nnọchite anya ndị na-azụrụ ahịa (Customer Service Representatives), Wee dịrị gawazie.
2. A ga-agba mbọ niile e nwere ike ya ịhụ na a kpara maka ihe niile gbasara ego ọnụ ọgwụgwọ ọrịa tupu ụbọchị a rụrụ ọrụ. Ebe o kwere omume, onye ọrụ ga-akpọ site n'ekwentị ma ọ bụ zute onyeọrịa nke rịọrọ maka Enyemaka Ego iji mata ma o tozukwara etozu inyere aka.
    a. Onye ọrụ ga-emezu ihe nnyocha niile kwesiri ekwesi site n'iji atụmatụ nke nnyocha ahụike maka ndịọrịa ji aka ha akwụ ụgwọ nke ha, iji mata ma onyeọrịa ahụ o nwere ndị nshọọransị nkwado.
    b. A ga-edebanye aha n'ime onye nke atọ iji mata etu ogo nkwesi (ntosi) ya ruru. Iji meee ka nke a dị mfe, onye ọ bụla na-arịọ enyemaka ga-eweta mmadụ ole mebere ezinụụlọ ya nakwa nkọwa

**ETU O SI AGA, n'ịga n'ihu**

maka mkpata na mmefu akụ ya. Iji nyere onye arịrịọ dị etu a aka imejupụta usoro a, anyị ga-enye ha ihe ga-enyere ha aka iji mata ihe a tụrụ anya n'aka ha maka ntozu ikpeazu maka enyemaka ahụ.

c. A ga-eji arịrịọ onyeọrịa ahụ, site n'iji ngwaọrụ e nwere maka ya, rụọ ọrụ dị na ya ma matakwa site n'aka onye nke atọ. A ga-enye onyeọrịa rịọrọla enyemaka ego ọ bụla ọ rịọrọ. Ikpebi usoro ntozuoke a ga-adị ire n'ime ụbọchị abụọ nke azụmaahịa site n'ịgbasọ arịrịọ onyeọrịa maka inye aka, arịrịọ maka inye aka ọgwụ, ma ọ bụ ha abụọ.

d. Mgbe a natara arịrịọ onyeọrịa, ha ga-enwezi iri ụbọchị atọ iji nyefee akwụkwọ ntozuoke maka iji mee ka ọ tozuo oke. Ọ bụrụ na a nataghị ozi ọ bụla n'ime iri ụbọchi atọ, a ga-eziga ozi iji wee gosi na apichiela okwu ahụ n'ihi enweghị akwụkwọ ndị a chọrọ maka ya. Onyeọrịa ahụ nwere ike idegharị maka arịrịọ ahụ ma malite njem ọzọ ma ọ bụrụ na nke ochie agafeela. Usoro idetu maka enyemaka ga-eghere oghe wee ruo o pekata mpe, narị ụbọchị abụọ na iri anọ mgbe e zipụchara arịrịọ nke mbu e zipụchara.

e. A ga-eme ka a mara maka ihe onye ọ bụla kwesiri ịmata banyere usoro enyemaka ụlọọgwụ n'oge nnabata ma ọ bụ tupu nnabata nke onye ọ bụla na-achọ enyemaka n'ụlọọgwụ.

3. A ga-enwe naanị otu usoro arịrịọ maka usoro DHS niile. A ga-achọ ka onyeọrịa weta n'ozuzu oke, ihe gbasara arịrịọ enyemaka, nke nwere ike ịbụ n'okwuọnụ ma ọ bụ n'odide. Na mgbakwunye, e nwere ike ịchọ ihe ndị a:

   a. Akwụkwọ na-egosi na n'oge na-adịbeghị anya na ọ na-atụ ụtụisi nke gọọment etiti ya (ọ bụrụ na ọ lụrụ di ma ọ bụ nwunye wee na-ede na nke onwe ya, ọ ga-eweta akwụkwoọ ngosi nke ụtụisi nke di ma ọ bụ nwunye ya); ihe ngosi na o nweghị ike inweta ego ọ ga-akwụ (ma ọ bụrụ na nke a gbasaara ya), ihe ngosi nke nchekwa (ma ọ burụ na nke a gbasatara ya). Ọ bụrụ na o nweghị ọrụ, ihe ngosi na o nweghị ọrụ ọ na-arụ dịka akwụkwọ sitere n'ụlọọrụ ndị nshọọransị na-ahụ maka ndị na-enweghị ọrụ,

   b. Akwụkwọ ngosi na-ekwu maka ebe o si enweta ego enyemaka, wee dịrị gawazie.

   c. Akwụkwọ ngosi nke na-adịbeghị anya na-egosi etu e si akwụ ya ụgwọ (ma ọ bụrụ na e were ya n'ọrụ) ma ọ bụ ihe ngosi ego na-abata ya n'aka. A Medical Assistance Notice of Determination (ma ọ bụrụ na ọ gbasataara ya).

   d. Akwụkwọ ngosi nke Mbiri ego na nke mbiri akụ (ma ọ bụrụ na ọ gbasataara ya), ma ọ bụ ihe e dere ede nke ọnọdụ obibi/ ọnọdụ ụlọ obibi.

A ga-ezigara onyeọrịa ahụ akwụkwọ ozi iji rịọ ya maka ozi ndị nke a na-achọ achọ. A ga-anabatakwa okwu ọnụ nke nwere ozi niile a chọrọ, dịka o si kwesi ekwesi.

4. Onyeọrịa nwere ike itoru ogo maka Enyemaka ego site nshọọransị zuuru ya ma ọ bụ mmefu ọtụtụ ego n'ihe gbasara ahụike. Ozugbo onyeọrịa nyefechara ozi niile a chọrọ, onye ọ dị n'aka ga-elenwo ma nyochakwaa akwụkwọ arịrịọ ahụ ma wegara ya ndị ọ dị n'aka bụ Patient Financial Services Department maka mkpebi ikpeazu n'ụzọ kwesiri ekwesi nke gbadoro ụkwụ n'usoro ndị DHS.

   a. Ọ bụrụ na a chọpụta na arịrịọ onyeọrịa ahụ zuru ezu ma kwesikwa ekwesi, onye ọ dị n'aka na-ahụ maka ego ga-akwadozi ntozuoke nke onyeọrịa ma zipụkwa akwụkwụ maka inyezi ikike nke abụọ na nke ikpeazụ.

      i) Ọ bụrụ na onyeọrịa ahụ tosiziri ịnata enyemaka, onyenhazi ego ga-emezi ka ndị ọrụ ụlọọgwụ mata maka mkpebi ha inyere onyeọrịa ahụ aka.

      ii) Ọ bụrụ na onyeọrịa erughị inweta Enyemaka Ego, Onyenhazi ego ga-eme ka ndịọrụ nke ụlọọgwụ ahụ mara maka mkpebi ha, ebe a ga-akagbu nke na-abụghị nke mberede/ndapụta gbadoro ụkwụ n'ọrụ nke ụlọọgwụ.

         (1) Mkpebi nke na a gaghị edebe onyeọrịa etu ụlọọgwụ siri chọọ, na-abụghị mberede/ọrụ ndapụta, bụ nke ndị isi enyemaka ego ga-elebanyegharị anya, ma ọ bụrụ na arịọ maka nke a.

**ETU O SI AGA, n'ịga n'ihu**

(2) Ndị na-ahụ maka ịkwụ ụgwọ gụnyere Asst. Director nke PFS, Sr Director of Revenue Cycle, DHS Risk Manager, and CFO

(3) CFO ga-esepụ aka n'enyemaka ọ bụla ego ya karịrị $50,000.

5. Ngalaba ụlọọgwụ ọ bụla nwere ike ikwu maka usoro di mma maka mgbaso nke ha, ma bụrukwa nke ndị otu ọzọ na-enweghị ike ikwunwo.

6. Ozugbo a nabatara inyere onyeọrịa aka, , Financial Assistance coverage ga-amalitezi site n'ọnwa ahụ e kpebiri wee ruo n'afọ atọ, afọ isii n'ọdịniihu. E nweghịkwa njedebe n'ogo e tozuru etozu maka enyemaka. Oge ọ bụla e kpebiri ka a ga-agbaso site n'iso ya n'usoro n'usoro. Ọ bụrụ na e nwetara mgbakwụnye na nlekwa ahụike nke gafere oge a kwadoro, onyeọrịa ga-edegharị akwụkwọ arịrịọ maka nhazigharị. Na mgbakwụnye, mgbanwe n'ebe mnweta ego onyeọrịa nọ, ngwongwo ya, mmefu ego ma ọ bụ ọnọdụ ezinụụlọ ka a tụrụ anya na a ga-akọwara ngalaba Atụmatụ Enyemaka Ego. Nnakọta ego ndị ọzọ pụrụ iche (Extraordinary Collections Action), dịka a kọwara ya na ndịda, ka a ga-akwụsị ozigbo a nabatara onyeọrịa maka enyemaka ego, ebe a ga-akwụghachi onyeọrịa ego ya ndị fọrọ afọ.

   *Nnakọta ego ndị ọzọ pụrụ iche(ECAs) ka e nwere ike iwere na a zọbeghị ya azọ ma ọ bụ na o soghị na ndị nke e dobere maka ịkwụ ụgwọ. Ma e wepụ ụzọ ndị ọzọ dịcha iche iche, a ga-eme ihe ndị a, ma o pekata mpe otu narị mkpụrụ ụbọchị na iri abụọ malite n'ụbọchị mbụ e nyefere onyeọrịa ego ole a ga-akwụ, ebe a ga na-echetara ya maka ya iri ụbọchị atọ tupu ndị ECA amalite ọrụ ya. A ga-eme ka onyeọrịa mata ma ego enyemaka ọ dịla, ebe a ga-elebanye anya maka ozuzu oke tupu e mee ihe ọ bụla.*

   *i) E nwekwaziri ike ime onyeọrịa ahụ obiọma ma ọ bụrụ na a chọpụta na o kwesiri ekwesi.*

   *ii) A ga-enwe nkwekọrịta nke ụlọikpe n'ogo ndị dị ala. Ọrụ nke a abụghị maka mmechi kama ọ ga-eme ka anyị kwụrụ chịm dịka ndị nchekwa akụ na ihe enwenwe ma ọ bụrụ na e nwere ihe enwenwe a hụrụ n'ime ya.*

   *iii) Ego ndị ọzọ e mechiri emechi nke pụtara ihe n'akwụkwọ ndị ji ụgwọ ma ọ bụ nke e wegara maka ikpe/ikpa obi ọma, ka e nwere ike imegheghari, ma ọ bụrụ na onyeọrịa ahụ kpọtụrụ ndị ọrụ a dị n'aka ha maka ịhụ ego ole fọrọ afọ.*
   *A ga-atụ anya na onyeọrịa ga-akwụta ụgwọ iji gboo mkpa ego e ji n'ụgwọ, wee rue mgbe ndị ọ dị n'aka mere nke a, a ga-akagbu oge ole fọrọ afọ.*

   *iv) O kwesiri ka Extraordinary Collections Action nweta ikikere ndịisi na-ahụ maka ịkwụchapụ ụgwọ bụ Financial Clearance Committee.*

7. Ọ bụrụ na onyeọrịa e kpebie ịbụ onye etosighị etosi, mbọ niile a na-agba iweta ego a na-akwụnye, ego a na-ebepụ ebepụ ma ọ bụ pasenti a na-atu anya maka ọru, ka a ga-eme tupu ụbọchị a rụrụ ọrụ ma ọ bụ kpebie ịnara ya n'ụbọchị ọrụ ahụ.

8. Akwụkwọ ozi nke mkpebi ikpeazụ ka a ga-enye onyeọrịa ọ bụla nke debụrụ na mbụ arịrịọ maka enyemaka.

9. Ịkwụghachi ụgwọ na-agbado ụkwụ mgbe a hụrụ na onyeọrịa enwezighị ike ịkwụ ụgwọ ọgwụgwọ e nyere ya. E nwere ike ịkwụghachi onyeọrịa ụgwọ nke ego fọrọ afọ n'ihi ụgwọ onyeọrịa kwụrụ, nke sitere na nnabata maka enyemaka ego. Ụgwọ ndị a natara maka nlekwa n'ọrịa mgbe a na-enye aka ego tosiri etosi ka a ga-akwụghachi, ma ọ bụrụ na ego ahụ karịa ego ole onyeọrịa nwere ike ya site na $5.00 ma ọ bụ karịa.

**ETU O SI AGA, n’ịga n’ihu**

10. Onyeọrịa nke nwere ohere inwe ndị nlekọta ọzọ (ọmụmaatụ, primary and secondary insurance coverage ma ọ bụ ụdị ndị ọrụ ọzọ nke e ji carve-out wee mara), ga-agba mbọ imezu ihe ha kwesiri
11. ime tupu a rịọwa maka enyemaka ego.

## ***Ihe isiike nke ego***

Ego ọ bụla e mefuru nke na-enweghị nshọọransị, maka ọgwụgwọ ọrịa n’aka ndị DHS ọ bụla ka a ga-eji wee mara ma onyeọrịa ahụ o nwere ntozu maka amụma enyemaka ego. Usoro ndị a ka e wepụtara iche, ma bụrụkwa ihe mgbakwụnyere nke e ji ekpebi maka enyemaka Ego, ọ bụkwazi ya ka e ji Financial Hardship wee mara.  A ga-enye onyeọrịa ọ bụla rịọrọ maka enyemaka ego ihe a kpọrọ Financial Hardship.

Enyemaka Ego Financial Hardship dịkwa maka ndịọrịa na-etozughị maka Enyemaka Ego nke nọkwa n’okpuru ngalaba ogo dị ala, mana ọ bụ maka onye:

1) Ụgwọ ụlọọgwụ DHS e mefuru n’isi ya gafere 25% nke ego ezinụụlọ ya na-enweta n’otu afọ., ma bụrụkwa nke na-enwe ihe isiike nke ego maka ọgwụgwọ ọrịa (Medical Financial Hardship) nakwa
2) Onye nke tozuru oke maka ogo enyemaka a.

Maka ọnyeọrịa tozuru maka nke a kpọrọ Ego nleta e weturu ala (Reduced Cost Care) nke nọ n’okpuru nke a kpọrọ primary Financial Assistance, nakwụazi Financial Hardship Assistance criteria. DHS ga-anabata mbutu n’ọnụego nke ga-adị onyeọrịa ahụ obi mma maka ọgwụgwọ ndị dị mkpa maka ahụike ya nke otu ezinụụlọ, ihe karịrị ọnwa iri na abụọ ma gafekwaa 25% nke ego otu ezinụụlọ na-enweta maka otu afọ.

A kọwara Medical Debt dịka ego mmefu sitere n’akpa maka ọgwụgwọ e nyere maka ihe ndị dịcha mkpa maka ahụike.

Ozugbo enyere onyeọrịa ikike maka Financial Hardship Assistance, a ga-amalite n’ọnwa mbụ ahụ o tozuru maka ịnata ọgwụgwọ wee rue ọnwa iri na abụọ nke malitere n’ụbọchị nnyocha arịrịọ maka enyemaka.  A ga-enyocha onyeọrịa ọ bụla site n’otu ọrịa wee gaa na nke ọzọ maka ntozuoke ha dịka nsogbu ọrịa/etu e si chọọ isi kpachapụrụ nke ọ bụla anya. Ọ gụnyere onyeọrịa na ndị ezinụụlọ ya, ndị bi n’otu ụlọ maka ego ole e kpebiri na ha ga-enweta nakwa oge ntozu maka nleta na ọgwụgwọ ndị dị mkpa. Ọgwụgwọ a agaghị agụnye usoro ihe nhọrọ ma ọ bụ ihe ịchọ mma ahụ.  Na-agbanyeghị, onyeọrịa ma ọ bụ onye nkwado ga-emerịrị ka ụlọọgwụ mara maka ntozuoke n’oge a na-edebanye aha ma ọ bụ oge a na-anabata ha.  Ịji gaa n’ihu n’amụma a mgbe oge ntozuoke ọ bụla gwụchara, onyeọrịa ọ bụla ga-edegharị arịrịọ maka ilebagharị ya anya.  Na mgbakwụnye, onyeọrịa a nabatara maka usoro amụma a ga-eme ka ụlọọgwụ mara maka mgbanwe ọ bụla n’ihe gbasaara ego na-abata ya aka, ihe enwenwe, mmefu ego, ma ọ bụ ọnọdụ ezinụụlọ n’ime (30) iri ụbọchị atọ nke mgbanwe a.

Usoro Financial Hardship Assistance gụnyekwara ntozu ndị ọzọ niile na etozughị etozu, na usoro ha maka Enyemaka ego, beelụ sọ ma e kwuru ya etu ọzọ n’elu (na mgbago).

## ***ARỊRỊỌ***

- Ndịọrịa a jụrụ ịnabata arịrịo ha nwere ohere ịrịọgharị na mkpebi e nyere.
- Arịrịọ ndị a nwere ike ịbụ n’okwuọnụ ma ọ bụ n’odide.
- A tụrụ anya na ndịọrịa ga-enyefe akwụkwọ ndị ọzọ na-akwado arịrịọ ha iji mee ngosi na e kwesighị ịjụ ịnabata arịrịọ ha rịọrọ.

**ETU O SI AGA, n'ịga n'ihu**

- A ga-edobezi arịrịọ ndị a n'agbata ngwaọrụ onye nke atọ. Ndị ogo nke ọzọ na-ahazi amụma ga-elebazi ya anya maka ịhụ ma o nwere ka a ga-esi nabatagharịa ya.
- Ọ bụrụ na a jụghị ogo arịrịọ nke mbụ, onyeọrịa ahụ nwere ohere ịgbago n'ogo nke ọzọ maka nlebagharị anya.
- Ọ ga-agbagowezi wee rue Onyeisi na-ahụ maka Ego bụ Chief Financial Officer, onye nke ga-enyezi mkpebi ikpeazụ.
- A ga-ezigazi akwukwọ ozi arịrịọ nke ikpeazụ nye onyeọrịa ọ bụla nke zigabụrụ ozi arịrịọ n'oge gara aga.

## ***Mkpebi Ikpe***

Ọ bụrụzie na e mechara chọpụta na onyeọrịa ahụ tozuru etozu maka Enyemaka Ego (Financial Assistance) mgbe e kpebiri ikpe ma ọ bụ ụgwọ e nyefere n'aka ndị na-ahụ maka ụgwọ e ji eji, DHS ga-agba mbọ ịkagbu ikpe ahụ ma ọ bụ taa otu wetara ozi ahụ ahụhụ.

| **% Nkagbu** | **100%** | **100%** | **70%** | **60%** | **50%** | **25%** |
| --- | --- | --- | --- | --- | --- | --- |
| **Ọnụọgụ ezinụụlọ** | **Egoole a na-enweta** | **Egoole a na-enweta** | **Egoole a na-enweta** | **Egoole a na-enweta** | **Egoole a na-enweta** | **Egoole a na-enweta** |
| **1** | $12,060 | $24,120 | $27,135 | $30,150 | $36,180 | $60,300 |
| **2** | $16,240 | $32,480 | $36,540 | $40,600 | $48,720 | $81,200 |
| **3** | $20,420 | $40,840 | $45,945 | $51,050 | $61,260 | $102,100 |
| **4** | $24,600 | $49,200 | $55,350 | $61,500 | $73,800 | $123,000 |
| **5** | $28,780 | $57,560 | $64,755 | $71,950 | $86,340 | $143,900 |
| **6** | $32,960 | $65,920 | $74,160 | $82,400 | $98,880 | $164,800 |
| **7** | $37,140 | $74,280 | $83,565 | $92,850 | $111,420 | $185,700 |
| **8** | $41,320 | $82,640 | $92,970 | $103,300 | $123,960 | $206,600 |
| Maka ezinụụlọ/ụlọ nwere ihe karịrị mmadụ asatọ, gbakwụnye $ 4,180maka onye ọ bụla a gbakwụnyere. | | | | | | |
| **% nke Egoole a na-enweta na ma ọ bụ karịrị Usoro Nhazi maka ihe isiike nke afọ 2017** | **100%** | **200%** | **225%** | **250%** | **300%** | **500%** |